# OSIMIRI NKE MMIRI NKE NDỤ

## Nkpughe 22:1-21.

### IHE ỌMỤMỤ 467 - Nke NdỊ-etiti

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Onye nāchọ, ya nara miri nke ndu ahu n'efu" (Nkpughe 22:17).**

**Ọchị chi Otù Puku Arọ Ahụ**

Anyị bụ́ ndị na-ewere onyinye amara niile nke Chineke na-enye , bụ́ onyinye amara nke nzọpụta, odudo nsọ na ọwụwụ mmiri nke Mmụọ Nsọ, ná-ebikwara Jisọs ndụ kwa ụbọchị, ga-ahụ́ ụwa a na mgbe ná-adịghị óké anya site n'ugbu a na ọ ga-ama mma karịa otú ọ dị taa. Ihe niile ná-eto eto -- osisi, òkókó osisi na akwụkwọ nri ga-ama ezi mma karịa, bu kwa ibu karịa, dị kwa mma karịa. Anụọhịa niile, ọbụná agwọ, na ọdụm na bear ga-adị jụụ ka anụ-ụlọ, anyị agaghị atụkwa egwu, n'ihi na Jisọs ga-abụ Eze otù puku arọ.

**Eluigwe Ọhụụ Na Ụwa Ọhụ**

Ihe ọzọ ka dịkwa nke á ga-ele anya ya, nke ahụ bụ mgbe Chineke ga-ekè Eluigwe ọhụụ na ụwa ọhụụ. N'ụwa ọhụụ á ga-enwe ndị ọhụụ, ndị emeworo ọhụụ site ná nzọpụta azọpụtaworo ha nime ụwa nke a. "Ya mere ọ bụrụ na onye ọ bụla di nime Kraist, ọ bu onye ekèrè ọhu: ihe ochie agasiwo; le ha aghọwo ihe ọhu" (2 Ndị Kọrint 5:17). Chineke ga-esi n'Eluigwe zidata obodo á na-akpọ Jerusalem Ọhụụ. N'etiti ama Obodo a ka osimiri nke Mmiri nke Ndụ ga na-erù.

**Osisi Nke Ndụ**

Osisi nke ná-eto n'akụkụ abụọ nke Osimiri nke mmiri Ndụ ahụ bụ Osisi nke Ndụ. Osisi a enweghị nááný otù ụdị mkpụrụ, kama ọ na-amị ụdị mkpụrụ dị iche iche iri na abụọ. Ọnwa ọ bụla osisi a na-amá ifuru, gbawa okòkò, mipụtakwa mkpụrụ kara aka n'Osisi nke Ndụ ahụ. Mba niile na óké igwe ndị bị nime ụwa ọhụụ a, ga na-abànye na-apụta kwa n'ọnụụzọ ama nke Jerusalem ọhụụ ahụ n'ihi na ọnụụzọ ama ahụ ghere oghe mgbe niile. Abalị adịghị n'ebe ahụ. Ndị mmadụ ga-eri mkpụrụ Osisi nke Ndụ wee dị kwa ndụ ruo mgbe niile ebighị ebi.

Chineke debeere Adam na Iv Osisi a n'isi mmalite oge. Ha gaararị iri ya wee dị ndụ mgbe niile ebighị ebi n'oge ahụ, ma kama nke ahụ ha nupuru isi ewe chụpụkwa ha n'Ogige ahụ. Nime ọtụtụ narị arọ site na mgbe nke Adam na Iv tutu ruo oge òkìkè nke ụwa ọhụụ ahụ, mmadụ enwebeghịkwa oghere iru n'ebe Osisi nke Ndụ ahụ dị. Ugbu a, ọzọ kwa na Jerusalem Ọhụụ a ka Osisi nke Ndụ dị kwa, mba niile nke mmadụ na-eri kwa akwụkwọ ya, wee dị ndụ mgbe niile, ma nwekwa arụ ike. Ha ga-eri ná mkpụrụ Osisi ahụ, ha agaghị anwụ kwa anwụ.

Ekwensu agaghị abịa n'ụwa ọhụụ a ma ọlị, n'ihi na ekewo ya agbụ n'ọkụ ala-mmụọ, ya na ndị niile ná-ekweghị ichègharị site n'ajọomume ha n'elu ụwa nke dị ugbu a. Ndị ahụ egwu na-atụ́ iso Jisọs n'ihi ihe ụmụ mmadụ ga-asị ma ọ bụ ihe ha ga-eme, na ndị ahụ ghara ụgha, ọbụná ụmụ "ụgha ọcha ahụ," na ndị ahụ mere nnọọ ajọ ihe, ka aga-ekekọta ha na ekwensu agbụ n'ọkụ ala-mmụọ. Ha apụghị isi n'ebe ahụ pụta. Anwụrụ ọkụ mmekpa arụ ha na-arịgo elu ruo mgbe niile ebighị ebi.

**Jerusalem Ọhụụ**

Ka anyị tule na anyị nọ nime Jerusalem ọhụụ ahụ ugbu a. Ọ dịrịghị anyị mkpà ịgbanye ọkụ iji hụ ụzọ ebe anyị na-eje, ma ọ bụ kwa ichere ruo mgbe anwụ mụwara, n'ihi na Chineke n'Onweya bụ ìhè nke Obodo ahụ. Onye ọ bụla nọ n'obodo ahụ nwere aha Onyenweanyị n'egedege iru ya. Ka anyị na-elegide anya, anyị na-ahụ́ ka ha na-agara Chineke na Jisọs ozi n'ebe niile. Ha na-echetara anyị banyere ndị Juu bụ ndị n'ejéozi n'oge Moses. Mgbe ha jesịrị ozi arọ isii, ha nwere oghere ịrapụ onyenwe ha, ma onye ọ bụla sịrị n'ezie na ya hụrụ onyenwe ya n'anya na ya chọkwara ịnọnyere ya, ọ ga-eguzo nso n'ọnụụzọ, onyenwe ya ga-ewere kwa arọ̀ rapuo ntị ya. Site na mgbe ahụ ga n'iru ọ ga-ebu ápà ná-egosi na ọ chọrọ ifè onyenwe ya òfùfè ruo mgbe ebighị ebi (Ọpupu 21:5, 6).

Onye nke Kraist taa nwere oghere ịrapụ ifè Chineke pụọ jee feè ekwensu, ma ọ na-egosi n'ezie na ọ hụrụ Chineke n'anya ná-achọ kwa ifè Ya òfùfè ruo mgbe ebighị ebi. Ọ na-ebu akarà o jiri bụrụ orù Chineke. Ọ bụghị akàrà á na-ahụ́ anya nke dị ná ntị ma ọ bụ n'egedege iru, ma ihe ọ na-ekwu, ihe ọ na-eme, n'ebe ọ na-eje ọ na-eme ka amara na ọbụ onye ná-eso ụzọ Jisọs.

N’anya nke uche anyị, anyị na-ahụ́ ndị ahụ fèrè Chineke òfùfè n’ụwa, ka ha na-ejégharị n’ámá ọlaedo ahụ ná-egbuke dịka enyo, mgbe niile n’iru Chineke ahụ ha rọtara ifè òfùfè ruo mgbe niile ebighị ebi. Nke mbụ, ha rọtara ifè Chineke òfùfè mgbe ha nọ n’ebe a n’ụwa; ha ferè Chineke òfùfè na mgbe ọchịchị otù puku arọ udo ahụ; ugbu a kwa, nime Eluigwe Ọhụụ na ụwa ọhụụ, ha ka na-eme kwarị ihe ndị ahụ ná-ewetara ha óké ọñụ.

**Ọbị bị a Ọsọsọ**

N’ámàokwu nke isii, Mmụọ ozi ahụ gosiri Jọn ọtụtụ ihe ndịa niile sịrị na Chineke zitere ya igosi ihe ná-aghaghị ịpụta na mgbe ná-adịghị anya. Nke ahụ pụtara ihe ná-aghaghị ime n’oge a anyị bi nime ya, ya na ihe ndịọzọ ga-abịa ma emesịa. Nye gị onye ná-agụ okwu ndịa. Jisọs na-asị, “Le kwa, anāmabia ọsọsọ: Ngọzi nādiri onye nēdebe okwu nile nke amuma nke akwukwọ a.” Ọbịbịa Jisọs ga-abụ ihe iju-anya nye igwe mmadụ bi n’elu ụwa a ugbu a, kama ọbịbịa Ya ekwesịghị ịbịakwasị gị na mberede n’ihi na ịgụwo Akwụkwọ Nkpughe niile, ị wee matakwa na Jisọs nwere ike ịbịa mgbe ọ bụla. Ọ bụrụ na ịna aña ntị ná-anarakwa ihe niile ịmara banyere Okwu Chineke, ị ga-abụ otù nime ndị ahụ agọziri agọzi, ndị aga achịkọta n’elu mgbe Jisọs ga abịa.

**Ụgwọ Ọlụ Ahụ**

“Oge ahụ dị nso”, Ka Akwụkwọ ahụ na-asị. Oge ọbịbịa Jisọs dị nso, mgbe opi ike ahụ ga-ada kwa, oghere agaghị adịrị ndị mmehie ịnweta nzọpụta, ma ọ bụ ndị azọpụtaworo ịnweta odudo nsọ (amàokwu 11). Jisọs ga-abịa na mberede, Ọ ga-enye kwa ndị ahụ soro Ya n’ikwesị ntụkwasịobi ụgwọ ọlụ ha, inye ha ọnọdụ n’akụkụ Ya na Nri Anyasị nke Ọlụlụ Nwunye nke Nwa-atụrụ ahụ. Ọ ga-enye kwa ha ọnọdụ n’alaeze ọchịchị otù puku arọ udo Ya, ha ga-enwe kwa oghere ịbà site n’ọnụụzọ ama nke Jerusalem Ọhụụ ahụ, wee nwe kwa ike iru n’Osisi nke Ndụ ahụ.

Jisọs kwadobere ihe ndịa niile nke ka nke nye ndị ahụ hụrụ Ya n’anya n’efè kwa Ya òfùfè (Jọn 14:1-3). Ma onye mmehie, òlee ebe ọ ga-anọ? O nweghị òkè diri ya n’Osisi nke Ndụ; ọ ga-anọ n’ọkụ ala-mmụọ ruo mgbe niile ebighị ebi, ebe mmekpa arụ ji ọkụ brimstone ná-ere. Ọ ga na-aghọta mkpụrụ ụgwọ ọlụ ajọ ihe niile o mere.

**Bị a**

Jisọs zigara mmụọ ozi Ya ka ọ gwa Jọn ka o dee Akwụkwọ Nkpughe ka anyị wee mara ihe gaje ịbịa ka anyị wee jikere. Ugbu a, ka ájá nke oge a na-ebilata, ka Jisọs na-achọ kwa ịbịaghachi n’ụwa, Alaeze Chineke niile na-ejikọta olu ha n’ịkpọ òkù ka mmadụ niile bịa nara Mmiri nke Ndụ ahụ ka ewee azọpụta ha. “Mụọ Nsọ na nwayi ahu anālu ọhu nāsi kwa Bia. Onye nānu, ya si kwa, Bia. onya akpiri nākpọ kwa nku, ya bia: onye nāchọ, ya nara miri nke ndụ ahụ n’efu.”

“E: Anamabia ọsọsọ,” ka Jisọs nāsị. Obi gị ọ na-azaghachi, “Bia, Onye-nwe-ayị Jisọs”?

## AJỤJỤ DỊ ICHE ICHE

1. Gịnị bụ Mmiri nke Ndụ ahụ?
2. Òlee ebe eburu ụzọ kpọ aha Osisi nke Ndụ?
3. Òlee ụdị ndị ga-enweta ókè n’Osisi nke Ndụ ahụ?
4. Gịnị bụ akarà ndị ná-eso ụzọ Jisọs na-enwe ugbu a?
5. Gịnị bụ otù nime ihe ndị ahụ á ga-eme na mgbe ná-adịghị anya?
6. Oghere ọ̀ ga-adị ịnweta nzọpụta na mgbe Jisọs ga-abịa?
7. Gịnị ka á ga-emere ndị ahụ ga-enwe òkè n’Osisi nke Ndụ ahụ?
8. Òlee ebe á ga-eke ndị mmehie agbụ?
9. Òlee òkù nke Mmụọ Chineke na ndị Chineke niile na-ezipu ugbu a?
10. Mgbe Jisọs na-asị, “E: Anāmabịa ọsọsọ,” gịnị bụ ọ̀zịzá gị?